# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH,
# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 3RD SUNDAY IN ADVENT (YEAR C)
## SUNDAY, DECEMBER 12, 2021

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **K'ANYI JEE N'ULO CHUKWU** |
| **OFFERTORY:** | **TOBENNA/ONYINYE OMA/ CHINEKE ONYEOMA** |
| **CONSECRATION:** | **EARTHLY GIFTS** |
| **COMMUNION:** | **SOON AND VERY SOON** |
| **POST COMMUNION:** | **DOZIENU UZO/O SACRAMENT…** |
| **DISMISSAL:** | **TIENU MKPU OŇU** |

**UKWE MBATA PHILIP 4:4 – 5**
Nuriwanu na Dinwenu oge nile.
Agwa m unu ozo: nuriwanu;
Dinwenu no nso.

**EKPERE MMEGHE**
Dinwenu Chineke anyi, lekwasi anyi bu umu Gi anya, ndi ji okwukwe na-akwadowe maka obibia nke Nwa Gi Jesu Kristi. Biko, mee ka anyi were obi na-anu oku mgbe nilw na-eme emume anuri nke a, wee soro nweta nnukwu anuri nke alaeze Gi. Site na Dinwenu anyi Jesu Krisit Nwa Gi.

***Ma o bu***

Nna Dinwenu anyi Jesu Kristi, I na-edowe nkwa I kwere, na anonyekwara Uka Gi mgbe nile. Uwa nwere anuri na nchekwube n'obibia nke Onye Nzoputa. Anyi nokwa na-ele anya oge O ga-abia ozo n'oso njedebe nke uwa. Biko kwadoo obi anyi; wepuru anyi obi ida mba nkw nochiri anyi uzo, ka anyi nweta anuri na nchekwube nke ihu Gi ihu na ihu. Site na Dinwenu anyi Jesu Kristi Nwa Gi…

**IHE OGUGU NKE MBU Zefania 3:14 -18**

***Isi Okwu: Onyenweanyi ga-eji mkpu onu teere unu egwu di ka Ubochi oke mmemme.***

Ada Zayon, tiwe mkpu onu! Izrel tisiwe mkpu onu ike! Ada Jerusalem, nuriwa! Were obi gi nile goriwe. Onyenweanyi akagbuola ikpe a maara gi; O chupula ndi iro gi. Chineke, Eze nke Izrel, no n'etiti unu; onwekwaghi ihe ojoo unu ga-atu egwu. Oge ubochi ahu biara, okwu ga-erute Jerusalem si: "Zayon, egwu atukwala gi; ekwekwala ka ike gwu Gi. Dinwenu Chineke Gi no n'etiti gi; o bu dike na-emeri n'agha. O ga-eji onu gbaara gi egwu biakwa were ihunanya Ya mee ka I dikwa ohuru. O ga-eji mkpu onu teere gi egwu dika n'ubochi nnukwu mmemme."

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA 12:2–6 Az. 6**
***Aziza: Kwebenu ukwe, na-etinu mkpu onu, n'ihi na Onye no n'etiti unu bu nnukwu Onye Di Nso nke Izrel!***

1. N'ezie Chineke bu Onye nzoputa m. Enwere m nchekwube, egwu agaghi atu m. N'ihi na Onyenweanyi bu ike m, ukwe m; o bu Onye Nzoputa m. Unu ga-eji onu kuru mmiri n'umi nke nzoputa. **Aziza**
2. Nyenu Onyenweanyi ekele, toonu aha Ya. Meenu ka ndi mmadu mata oru itunanya Ya; Kwuputa idi ukwu nke aha Ya. **Aziza**.

**3.** Buoro nu Dinwenu abu oma n'ihi na olulu olu oma; menu ka'nuya n'uwa nile; ndi nke Zayon kwebenu ukwe n'etinu mkpu onu, n'ihi na Onye no n'etiti unu bu Onye di Nso nke Israel.**Aziza**.

4. Alaeze nke Israel kwebenu ukwe otito nye Dinwenu; Gosi nu na Ike n'ebube nke Chukwu di na ala Israel nile n'ihi nke a werenu opi ike nubo akwala buoro Dinwenu abu.**Aziza**.

**IHE OGUGU NKE ABUO**
**FILIPAI 4: 4 – 7**

***Isi Okwu: "Onyenweanyi anorola nso"***

Nurianu onu n'Onyenweanyi mgbe nile! Ka m sikwa ya ozo: nurianu onu. Meenu ka mmadu nile mara na unu nwere obi anuri. Onyenweanyi no nso. Unu echegbula onwe unu n'ihe o bula. Kama, n'ihe nile, werenu ekpere, na aririo, na ekele mee ka Chineke mara ihe na-akpa unu. Udo nke Chineke, nke kariri nghota nke mmadu, ga-echebe obi unu na echiche unu n'ime Kristi Jesu.

Umunna m, na nkwubi okwu m, menu ka obi unu juputa n'ihe nile bu eziokwu, ihe nile kwesiri ekwesi, na ihe nile ziri ezi, na ihe nilw di ocha, na ihe nilw kwesiri ihunanya, na ihe nile e jiri amara mee. O buru na o di ihe o bula mafere mma oke ma o bu nke kwesiri otito karisia, na-echenu uche banyere ihe ndi a.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA LUKE 4: 18**

Aleluya, aleluya! E nyela m mmuo nke Onyenweanyi. O zipula m ka m butere umu ogbenye Ozioma. Aleluya!!

**OZIOMA LUKE 3: 10 – 18**

***Isi Okwu: "Kedu ihe anyi ga-eme?"***

Igwe mmadu ahu wee juo Jon si: "Gini ka anyi kwesiri ime?" O wee zaghachi ha si: "Onye nwere uwe abuo, ya nye onye na-enweghi enwe otu; onye nwere ihe oriri, ya nyetu ony na-adighi nke o nwere"

Ufodu ndi ona-utu biakwutekwara Jon ka o mee ha mmirichukwu. Ha wee juo ya si, "Onye nkuzi, gini ka anyi kwesiri ime?" O wee si ha, "Unu anafela onye o bula ugwo kariri ihe iwu kwuru." Ufodu ndi agha jukwara ya si, "Kedu maka anyi? Gini ka anyi kwesiri ime?" O wee si ha, "Unu azola onye obula ihe ya n'aka ike, ma o bu site n'ibo ya ebubo ugha. Nweenu afo ojuju n'ugwo oru unu"

N'oge ahu, ebe ndi Juu no n'olile anya mgbe Kristi ha ga-abia, igwe mmadu ahu, wee na-atughari n'obi ha udi mmadu Jon bu. Ha wee na-eche si, "E leghi anya, o bu Kristi?" Ya mere Jon siri ha: "Eji m mmiri eme unu mmirichukwu; ma Onye ka m ike na-abia, onye m na-ekwesighi o buna itopu eriri akpukpo ukwu Ya. O ga-eji Mmuo Nso na oku mee unu mmirichukwu. O ji n'aka Ya nkata O ji ayo oka, ka O wee yachasia oka nile di n'ubi Ya, kpobata ezi oka Ya n'ime oba Ya. Ma O ga-eji oku a na-apughi imenyu emenyu rechapu igbogbo na afu!" N'uzo di otua Jon jiri okwu idu-odu di iche iche zie ndi mmadu Ozioma.

Ozioma nke Oseburuwa.
Otito diri Gi, Kristi.